lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Ka e mesịa Fero!



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Janie Forest
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Lyn Doerksen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.



Fero were iwe! Chineke si n’aka Mosis nye ya iwu ka ọ hapụ ndị ohu Izrel ka ha si n’Ijipt pụọ. Ọ jụ. “Mee ka ha na-arụsi ọrụ ike karịa”, ka Fero nyere ndị-isi ohu ya n’iwu. Ugbu a, ihe ka njọ nye ụmụ Izrel.

“Kpọkọtanu ahịhịa nke unu, anyị agaghị enye unu ahịhịa ọzọ, mana meenu otu ọnụọgụgụ brik unu na-eme na mbụ.”  Ndị ahụ bụ iwu ọhụrụ Fero.



Ndị-isi ọrụ ahụ piara ụfọdụ ndị ohu ihe n'ihi na ha enweghị oge iji kpokọta ahịhịa ma ka na-akpụkwa brik zuru ezu.





Ndị Izrel tara Mosis na Erọn ụta maka nsogbu ha. Mosis chọtara ebe ọ ga-ekpe ekpere. O wee tie, si, “Jehova, Ị zọputaghị ndị-Gị ma-ọlị.” “Mụ onwe m bụ Jehova,

m ga-akpọpụtakwa unu,” ka Chineke zara.

Chineke wee ziga Mosis na Eron laghachikuru Fero.  Mgbe dike ahụ na-achị achị rịọrọ ndị ohu Chineke ka o nye ha ihe ịrịba-ama site n’aka Chineke,



mkpanaka Erọn ghọrọ agwọ na-efegharị efegharị.



“Kpọkuo ndị dibịa afa m,” Fero tiri mkpu. Ndị dibịa afa niile n’Ijipt wee tụda mkpanaka ha, mkpanaka nke ọbula wee ghọọ agwọ. Ma mkpanaka Erọn loro ndị nke ọzọ niile. N'agbanyeghị nke ahụ, Fero jụrụ ịhapụ ndị Izrel ka ha laa.

N’ụtụtụ echi ya, Mosis na Erọn zutere Fero n’osimiri. Mgbe Erọn setịpụrụ mkpanaka ya, Chineke mere ka mmiri ahụ ghọọ ọbara.  Azụ niile anwụọ!  Ndị mmadụ enweghịkwa ike ịṅụ ya!



Ma Fero mere ka obi ya sie ike.
O kweghị ka ndị Izrel si n'Ijipt pụọ.





Ọzọ, Mosis gwara Fero ka ọ hapụ ndị nke Chineke ka ha laa. Fero jụrụ ọzọ. Chineke zitere ihe otiti ọzọ. Ala Ijipt niile juputara na awọ; Ụlọ ọbụla, ọnụ ụlọ ọbụla, ọbụna ebe ndị a na-anọ esi nri, juru eju na awọ!



"Kpeere m ekpere, ka Chineke wepụ awọ ndị a niile," ka Fero rịọrọ. "M ga-ahapụkwa ndị gị ka ha laa." Ma, mgbe awọ ndị ahụ lara, Fero gbanwere obi ya. Ọ gaghị atọhapụkwa ndị ohu ahụ.

Chineke wee zipụ ọtụtụ ijeri chinchi ndị a na-akpọ igwu. Ma mmadụ ọbụla na anụmanụ niile na-akọ ọkọ n’ahụ ha n’ihi ya, ma Fero ekweghi n’ihe Chineke kwuru.





Chineke wee zite ijiji, ìgwè ya dị ọtụtụ. Chineke zitere ọrịa dị iche iche igbu anụ-ụlọ ndị Ijipt. Chineke zitere etuto na-egbu mgbu. Ndị mmadụ tara ezigbo ahụhụ. Ma Fero guzogidere okwu Chineke.





Ka ihe otiti nke
etuto gachara,
Chineke zitere
ìgwè igurube.
Igurube riri
ihe-ọkụkụ ọbụla
nke dị n'ala.



Chineke wee zipụ
ụbọchị atọ nke
ọchịchịrị zuru oke.
Ma Fero, onye-isi-ike
emeghị ka ndị Izrel
nwere onwe ha.

“M ga-ezite otu
ihe otiti ọzọ,” ka
Chineke dọrọ aka
ná ntị.  “N'ihe dị ka
etiti abalị, ụmụ
eburu ụzọ mụọ nke
mmadụ na anụ
ọhịa ga-anwụ.”
Chineke gwara
ndị Izrel na a
ga-azọpụta ụmụ
ha ma ọbụrụ na ha
etinye ọbara atụrụ
n’awara ụzọ ha.






N’etiti abalị, oké iti mkpu dara n’Ijipt.  Ọnwụ adaala.  Ọ dịkarịa nta, otu onye nwụrụ n'ụlọ ọbụla.





"Pụta," ka Fero rịọrọ Mosis. "Gaanụ, jeere Jehova ozi." Ngwa ngwa, ndị Chineke gara gafee ókè ala Ijipt.



Chineke gwara Mosis ka o cheta Abali Ngabiga n'ihi na mọ-ozi nke Chineke gabigara n'ụlọ ndị Izrel tigbue Fero na ndị-ya dị iche iche.



Mgbe afọ nari anọ na iri atọ gachara n’Ijipt, ndị nke Chineke nweere onwe ha ugbua.  Chineke duuru ha n'ogidi igwe-oji n'ehihie, na ogidi ọkụ n'abali.



Ma Fero emechabeghi ụmụ Izrel ihe o bu n’obi. Ọzọ, o chefuru Chineke. Ọzọ, ọ gbanwere obi ya.  O wee chikọta ndị agha ya, chịrị ndị ohu ya ahụ niile.  N’oge n’adịghị anya, o mere ka ha chụkwudo ha n’agbata ọnụ ugwu na oké osimiri.

“Jehova ga-alụrụ unu agha,” ka Mosis kwuru. Mosies we gaa n'iru rue nsọtụ mmiri ahụ, wee setipụ ogwe-aka-ya.



Oke ọlụ ebube mere.  Chineke meghere ụzọ n’ime mmiri ahụ. Ndị mmadụ wee gafee n'udo.

Mgbe ahụ, ndị-agha Fero banyere n’Oké Osimiri Uhie. “Ugbua, anyị ga-ejide ha,” ka ndị agha ahụ chere n’obi ha. Ma Chineke mere ka mmiri ahụ bịakọta ọnụ ọzọ. E mere ka mmiri ahụ lomie ndị-agha niile nke Ijipt. Ugbua, Fero amarawo na Chineke nke Izrel bụ Jehova nke kachasi ihe niile.



Ka e mesịa Fero!

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Ọpụpụ Isi nke anọ rue isi nke iri na ise

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.” Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.